Ụzọ Nnweta Abụmotu N'Odide Asụsụ Igbo Izugbe

Ifeyinwa Ebubechineke
Ngalaba Mmụta Nka
Mahadum Naijiria, Nsụka
e-mail- ifeyinwa.eubechineke@unn,edu.ng
08134384482

Ụmịederede

Asụsụ Igbo bụ otu n'ime igwe asụsụ a na-asụ na Naịjirịa. Ọ bụkwa otu n'ime asụsụ atọ na-ada ụda a maara na Naijirịa kwesiri ka e dee nke ọma mgbe ọ bụla a na-ede ya, ka o nwee ịdịnotu ka asụsụ mba ụwa ndị ọzọ. Asụsụ Igbo dịka asụsụ nwere ọtụtụ olundị, e nwere ike ileghara olundị ndị a anya n'ihi na ọ bụ ọsụsụ ka a na-asụ ya.Ma a bịa na nke odide , e kwesiri inwe nkwekọrịta ma guzosie ike na nkwekọrịta ahụ ịhụ na agbasoro otu usoro mgbe a na-ede ihe ọ bụla n'asụsụ Igbo izugbe n'enweghi mgbugọ. N'odide asụsụ Igbo izugbe, e nwere ọtụtụ ihe ndị iche na-apụta ihe nke a chọpụtarala dị ka onye ọ bụla na-ede edide ya. Ọ bụ nsogbu nke edide adịghị n'otu ka elebara anya n'ederede a. A tụpụtara ụzọ ihe ole na ole ga-enye aka igbochitu edide adịghị n'otu nke a na-ahụta mgbe a na-ede asụsụ Igbo.

Ọkpụrụkpụ okwu: **abụmotu**, **odide**, **asụsụ Igbo**, **ụzọ nnweta**

Mkpọlite

Asụsụ bụ njiri mara mmadụ nke dara oke ọnụ. Ọ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si ekwukọrịta okwu ma na-emekọrịta site n'ihe e dere ede ma ọ bụ nke e kwuru n'ọnụ iji mata ebumnobi onwe ha. Ude, Ezema na Ezema (2019) kọwara asụsụ ka okwu mmadụ kwuru n'ọnụ ma ọ bụ dee ya ede n'akwụkwọ nke e ji eme ka ndị ọzọ mata ihe e bu n'uche Ewezụga asụsụ, a gaghị enwe ndị iche n'etiti mmadụ na anụ anụ. Asụsụ dị nnukwu mkpa ma bakwa oke uru na ndụ mmadụ n'ihi na mmadụ na-esite na ya akọwapụta onwe ya ma chọpụta ihe na-eme na gburu gburu ya malite n'oge abụm nwata ya ruo na ọ malite ikwu okwu ma ọ bụ ịsụ asụsụ nke ọma.Ọ bụ otu ihe na-akọwa ebensibịa mmadụ ma jikọta onye ahụ na omenala ya. N'ihi ya ka Ọmẹjẹ (2021) jiri kwuo na asụsụ bụ ike mba bụrụkwa

ngwa ọrụ e ji echekwa omenala. E nwere ọtụtụ asụsụ n'ala Naịjirịa dị a ọ dị na mba ụwa nke gụnyere Awụsa, Edo, Efik, Idoma, Igbo, Tiv, Yoruba, Kwale na ndị ọzọ.

Asụsụ ọ bụla nwere ebe a na-asụ ya nakwa usoro a na-agbaso ede ya. Asụụ Igbo bụ asụsụ e ji mara ndị Igbo n'ebe niile n'ala Igbo nakwa n'obodo Naịjirịa. Ọ bụkwa Igbo ka ha na-aza ma na-asụkwa ya asụ dị ka asụsụ. Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ kachasị ụbara a maara nke ọma na Naijirịa nke gụnyere Awụsa, Igbo na Yoruba nke Nwadike (2002) kpọrọ WAZOBỊA. A na-asụkarị Igbo na mpaghara ọwụwa anyanwụ ala Naijirịa dị ka e siri kewasịa Naijirịa na steeti na steeti. Ndị bụ ndị Igbo bụ Abịa, Anambra, Ebọnyị, Enugwu, Imo na Rịvas. A ga-ahụtakwa ndị Igbo na nge na nge na steeti dị Akwa Ịbọm, Bayelsa, Benue na Krọs Rịva. Ọ bụ oke adịm mkpa na abam uru asụsụ Igbo mere gọvmenti Etiti Najirịa jiri wepụta ya ka a na-amụ ma na-edekwa ya ede n'ule ọ bụla n'ụlọ akwụkwọ malite n'ogo ọta akara ruo mahadum dị ka asụsụ ịbọ (A2). Ọ bụ ihe dị nnukwu mkpa ilebara asụsụ Igbo anya ma kwalite ọnọdụ ọ bụla ga-enye ya agamnihu tụmadị ịgba ụmụ akwụkwọ Igbo ume n'ọmụmụ na odide ya. Iji asụsụ Igbo kụziere nwata asụsụ malite n'afọ atọ mbụ ya n'ụlọ akwụkwọ tupu e were asụsụ mmụta ọzọ dị ka Nashọnal Pọlịsị Keedukeshọn nyere ntụziaka wulitezie ya mara oke mma. NPE(2014) kwuru ka a kwagide nwata ọ bụla ka ọ mụọ asụsụ dị na gburu gburu ya dị ka ụzọ isi chekwawa asụsụ na omenala ndị ya.

Asụsụ bụ otu n'omenala ndị, nke kachasị dị oke mkpa n'ihi ya ka Ejiobi (2004) jiri kwuo na ọ bụ naanị mmadụ na-asụ asụsụ nke na-ebukwa omenala, nsiniiwu na ndịniwu ndị. O kwukwara na mmadụ ọ bụla n'ime ọgbọrọgbọdọ ga-achọ ka o sonyere n'ihe a na-eme nke ọ bụ n'ụzọ asụsụ ka ọ ga-esi ezipụta nke a. Na Naijirịa, e nwere igwe asụsụ nke asụsụ Igbo so n'asụsụ aha ya na-ada ụda nke ukwuu. Asụmasụsụ abụghị nsogbu nye ndị ọ bụla kama ọ bụ n'odide ka nsogbu na-esikarị adapụta. Ọgụgụ na odide ihe na-enye ọṅụ mana o siri ike na mmụta na nnweta. Ọ bụ osisi ike asụsụ a mere na e nweghi ọtụtụ asụsụ a na-edetụ edetụ bereso ole na ole n'agbanyeghi na e nwere olu asụsụ dị igwe n'ọnụ ọgụ. Ọ bụkwa n'ihi nke a ka Nwadike (2000) na Chineke na Onyegiri(2020) jiri mee ka o doo anya na ọ bụ naanị asụsụ ndị ahụ a na-akụzi n'ụlọ akwụkwọ a na-edetụkwa edetụ bụ nke agaghị anwụ anwụ ma bụrụkwa nke ewulitere. Ma asụsụ ndị a naghị akụzi ya

n'ụlọ akwụkwọ, a naghịkwa edetụ edetụ ma ọ bụ wulite ya ma ọ na-anwụnyụ anya.

Mmalite Odide Ihe

N'oge gara aga, ọgbọrọgbọdọ ole na ole ka ndị ọkacha mara kọwapụtara mepụtara usoro edide ha. Ọtụtụ ndị ọzọ nwara oko ha imepụta nke ha mana o guzogideghi ọtụtụ afọ. Ọtụtụ ọgbọrọgbọdọ kwa bụ ndị bitere ma nabata usoro edide ndị ọzọ. Usoro e nwere n'ụwa dị naanị ole na ole ebe asụsụ mba ụwa e kere ụzọ atọ, ụzọ abụọ karịrị puku asaa bụ ihe a ka edetụghi edetụ (Iloene, 2008). Mmalite edide nwegasịrị nkọkịrịnkọ a kọrọ banyere ya. Agụmagụ ọnụ dị ka Iloene (2008) kọwapụtara hụnyere mmepụta mkpụrụ edemede nye Cadmus, ọkpara Eze Phọenix na onye nchọpụta Thebes. Nkọkịrịnkọ ọzọ kọwapụtara na site n'akụkọala Chaịna, na e hụnyekwara ugwu mmepụta edide nye 'chi' ha bụ T'sang chien, dragọn nwere anya anọ ebe nkọkịrịnkọ ọzọkwa kọwara na mmadụ edide mbụ n'ụdị ịka akara n'azụ okporo mbekwu nakwa ọtụtụ nkọkịrịnkọ ndị ọzọkwa juru eju nke jupụtara n'ihe ikwenyere na ha. Mana Trask (1999) mere ka amata na e mepụtara edide n'ihe dị ka afọ puku ise (5000) gara aga na mpaghara Ist. Na ezigbo usoro edide malitere site n'ihe ọdịmara e sere ese (piktogram na idiogram) ndị dị naanị n'ụdị nịmọnịks. Ha bụ ọdịmara dị n'ụdị esere ese, akara aka(/////**),** ma ọ bụ ihe nrịba ama zuru oke iji zie ndị dị aṅaa dị ka icheta ndị e ji ụgwọ ma ọ bụ nke akwụrụla na taksị dị ka Achebe (1973) siri kọwapụta na 'Things Fall Apart' maka Ụnọka etu o siri edepụta ndị o ji ụgwọ. Ka oge na-agafe, a banyere n'oge brọnz na sechuri nke 4, mgbe e wepụtara usoro edide ndị Ijipt na Sumerịa aha ya bụ hiroglifiks na Kunifọm n'otu n'otu n'afọ 2600 BC. Ka a na-agakwa n'ihu, n'afọ 1600 BC ndị Chaịna wepụtara usoro edide ọzọ nke nwụkwara ka ibe ya. Ma etu o sila dị, n'afọ 2000 BC ka a ga-asị na ezigbo mkpụrụ edemede dị iri abụọ na abụọ (22) pụtara na mpaghara Nọtụ Semitik, nke nọchitere anya asụsụ nke ndị ọrụ Semitik Ijipt mepụtara. Ọ bụ na mkpụru edemede a ka mkpụrụ edemede ndị ọzọ dị n'ụwa a gbaa gburu gburu siripuru.

Mmalite Edide n'Asụsụ Igbo

Usoro edide malitere n'ụzọ ihe esere ese na ọdịmara. Ọ bụ mgbe ahụ ka edide ọdịnala Igbo pụtara nke a kpọrọ edide 'nsibidi'. Edide nsibidi a bụ ngwakọrịta edide esere ese na akara ọdịmara. Usoro edide a pụtara ọtụtụ ihe. E nwere ike ịgba usoro a agba, kụọ ya akụ, jiri ọdịmara ogbu zipụta ya ma ọ bụ jiri okwukwu okwu

nakwa ndetụ ihe zipụtakwa ya. Usoro edide nsididi na-ezisa ozi n'ọtụtụ ụzọ. O yitere mgbe eji 'ikoro' ezisa ozi dị mkpa n'obodo nke ọ bụ naanị ndị maara asụsụ ikoro na-aghọta ya. Nsibidi bụkwa usoro edide ndị otu nzuzo 'ọkọnkọ' ndị mba mmiri ji agbasara onwe ha ozi nke ọ bụ naanị ndị out a na-aghọta ozi a. Usoro edide gbasoro ụdị atọ dị ka Iloene (2008) kọwapụtara. Ọ kpọrọ ha logografik, Sịlabik na Alfabetik.

Edide usoro logografik

Logografik bụ nke Trask (1999) kpọrọ sistem mọfemọgrafik. Ọ bụ usoro edide ebe e ji otu mkpụrụ edemede anọchite anya mkpụrụ okwu zuru oke na nghọta. E nwekwara ike iji ya nọchite anya asụsụ dị iche iche, ebe mpụtara bụ nnatarachi nye ọdịmara. Ma ka o sila di, ọ bụ n'asụsụ ndị yiteturu onwe ha dị ka asụsụ Chaịna bụ e nwere ike ịgbaso usoro logografi dee, ya adaba dị ka o siri gbasa usoro okwu. Imerime asụsụ anaghị eji edide system logografi ebe ọ dịkwa asụsụ ndị na-agbaso sistem edide a. Ima atụ asụsụ na-agbaso usoro ọnụ ọgụgụ logografi bụ Hindu-Arabik. Ndị ọ bụla ghọtara ọdịmara ndị a bụ "1" dị ka "otu", "&" na -arụ ọrụ dị ka "na" njikọ okwu maọ bụ ahịrị, a na-eji nke a "@" dị ka dị, "%" nke a ka pesenti, $ nke a bụrụ pawn ebe nke a# bụ naịra. Ọ bụladị ugbu a ekwentị pụtara, e nwegasịrị ọdịmara e ji anọchite mkpụrụ okwu ụfọdụ mgbe a chọghị ideru ha n'isi. N'otu aka ahụ ka e nwekwara ọdịmara na-anọchite ụda mkpụrụ ụdaasụsụ ụfọdụ n'asụsụ.

Edide usoro Silabik

Sịlabik bụkwa usoro edide ọzọ e nwere. Ndị Babilọn na Asịrịa nakọọrọ ndị Sumerịa edide ha ma wulite ya. Ọ bụ usoro kunifọm ka ha nabatara n'asụsụ ha iji nọchite ụda mkpụrụ udaasụsụ ha. Etu a ka kunifọm siri bata n'edide silabik. Mgbe edide Sumerịa anwụbeghi, ndị Ijipt nwekwara ụdị edide ahụ ha kpọrọ hiroglfiks nke sitere n'okwu Griik nweta. N'ụdị edide a, nkeji okwu ọ bụla nwere ọdịmara ya. Mkpụrụ okwu ọ bụla nwere ọdịmara na-anọchite mgbochiume na ụdaume usoro edide ahụ.N'ihi na usoro silabik tatụrụ akpụ n'iji usoro edide ya, a chọpụtara na ọ ga-akara asụsụ japan dị mfe iji ya karịa asụsụ Bekee usoro edide ya tara akpụ iji ya. N'ihi nke a, e wepụtara ụdị nke atọ a kpọrọ usoro alfabetik.

Edide usoro Alfabetik

N'usoro alfabetik ka amalitere ịdị na-edetụ ihe ma tapịakwa ihe e detụrụ site n'ọgụgụ. Ọ bụ n'usoro a ka e sitere mepụta ọtọgrafị. Ọtọgrafị pụtara ezigbo edide. O bu usoro na iwu a na-agbaso asụpe mkpụrụ okwu. Ọ bụ usoro a ka ọtụtụ asụsụ nabatara mana ọ dịghị asụsụ ọ bụla ya na ibe ya nwere otu nsụpe. Ọtọgrafị pụtara usoro edide etu ndị ọzọ na-agbaso edetụ asụsụ ha. Ọ na-arụ ọrụ ka njiri mara asụsụ n'ihi na asụsụ ọ bụla nwere usoro edide e si ede ya. Williamson (1984) kọwara ọtọgrafị ka ezigbo ụzọ edide ọdịnala, edide ọhanaeze kwadoro nke na-agbaso usoro iwu n'odide ya. Ọtụtụ asụsụ nabatara mkpụrụ edemede dị ka usoro odide mana ọ dịghị asụsụ ya na ibe ya nwere otu usoro edide. Usoro edide ọ bụla kwesiri ịbara asụsụ nwee ya uru,Usoro edide kwesiri ịbụ asụsụ a pụrụ ịdị na-eji oge niile.Tupu e nwee ike ịdị na-eji ya oge niile, ọ ga-enweriri ihe ise ndị a dị ka Ụba Mgbemena (2011) kọwapụtara. Ha bụ izu oke, ịbụ otu mgbe niile, ịdị mfe, nkwekọrịta na mmatazu. Ịbụ otu mgbe niile bụ nke metụtara edemede a pụtara na a ga na-edepụta ụda ọ bụla n'otu ụdị oge niile. Wolff (1954) kwuru na ịbụ otu mgbe niile pụtara na mkpụrụ edemede ọ bụla ma ọ bụ nkwugbata mkpụrụ edemede ọ bụla ga-eguzoriri maka otu ụda n'usoro asụsụ ọ bụla. Ọ gakwara n'ihu kwuo na mgbe usoro odide asụsụ emejupụtaghị ọnọdụ ndị a, a na-enwe mgbanwe n'odide mkpụrụ okwu.

Ma tupu etu e si ede Igbo ugbu a apụta, e nwere ọtụtụ ndị ọzọ e jirila olu Igbo dị iche iche mebe ebe a na-achọ nka mma mkpụrụ edide maka Igbo izugbe. Ha bụ usoro edide olu Isuama nke Crowder wepụtara n'afọ 1954. Mgbe a na-eji usoro a, naanị mmadụ ole na ole matara ihe gbasara mkpụrụ edide. Onye ọ bụla na-edekwanụ ihe etu o si masị ya. Mkpụrụ edemede Isuama nwere mkpụrụedemede iri abụọ na iteghete (29) ụdaume asaa na mgbochiume iri abụọ na abụọ.Nke a butere nsogbu mere ka e wepụta Unịọn Igbo. Unịọn Igbo nwere mkpụrụ edemede dị iri atọ na abụọ. Ụdaume dị isii ebe mgbochiume dị iri abụọ na isii. Ka a na-ejikwa nke a, nsogbu e si na ya dapụta. Nsogbu ya bụ na o jupụtara n'akara nta n'ụdị dị iche iche, nke mechara bute ndọrọ ndọrọ banyere ọtọgrafị ka mma. E mechaa wepụta usoro edide a kpọrọ Sentral Igbo. Nke a n'aka nke ya rikwara mperi. O nwere ụdaume asatọ na mgbochiume iri abụọ na anọ. Ọ bụ Wards (1939) wepụtara ya mana o webataghị akara nta ọ bụla. Ọ sịrị na ọ bụ akaranta na-ebute ndejọ, nsụjọ na mkpọjọ. N'ihi nke a, a nabataghị ya.

Orue n'afọ 1961, ọtọgrafị Ọnwụ apụta. E guzowere otu a bụ Ọnwụ kọmitti ka ha lebanye anya n'usoro edide nke Wards, nke onye isioche bụ ụkọchukwu Ọnwụ. Ọrụ ha bụ iwepụta usoro edide Igbo izugbe kacha mma, nke Igbo niile ga-anabata. N'ikpeazụ ndị otu a wepụtara ụdaume asatọ na mgbochiụme iri abụọ na asatọ nke pụtara mkpụrụ edemede iri atọ na isii (36). Ha gbakwụnyere akara nta Wards achọghị tinyekwara ụda mkpị anọ na-adịbụghị na ndị ọzọ. Ndị otu a hazigharịrị ma guzowe usoro edide Igbo nke Ọnwụ site n'idogharị ọnọdụ mkpụrụ edemede ụfọdụ etu ha siri soro onwe ha ugbu a. Ha sorozie etu ha kwesiri iso dị ka ha dị n'ụbọchị ta a n'Igbo izugbe.

Ma n'agbanyeghi ndozigharị niile e mere banyere mkpụrụ edemede Igbo izugbe nakwa usoro edide kacha mma, e nwekwara nsogbu abụm otu n'odide mkpụrụ okwu Igbo. N'ihi nke a ka Oruchalụ (1987) n'ọtụtụ afọ gara aga jiri kwuo si, na e kwesiri ka a mata na e nweghi otu nsụpe jupụtara n'ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ Igbo puku kwuru puku ụmụ akwụkwọ ndị na-ele Igbo n'ule nọ n'ọgbaaghara maka e nweghi nsụpe tosiri n'ime akwụkwọ ndị a. Ọ bụghị ihe ziri ezi na ndị iche na nsụpe ka na-adị n'edemede Igbo ruo ugbu a, ma na-akawanye njọ. O kwuru na ọ bụghị sọ ụmụ akwụkwọ nọ n'ọgbaaghara n'ihi adighị n'otu nsụpe, ma ndị nkụzi, ndị odee, ndị ule, ndị nhazi kọrịkulum, ndị hụrụ Igbo n'anya nakwa ọha na eze. Mbunuche edemede a bụ ilebanye anya n'ebe ndị ahụ a na-enwe ndị iche, rụtụ aka n'ihe ndị na-ebute ndị iche ndị a, ma tụọ aro ihe ndị a ga-eme ga-enye aka ka enweta abụmotu n'odide asụsụ Igbo.

Ebe ndị a na-enwe abụghị otu

N'ụfọdụ asụsụ ndị Naịjirịa tụmadi n'Asụsụ Igbo, e nweghi nkwekọrịta n'etu a ga na-esi ede mkpụrụ okwu ụfọdụ. E nweghi nkwekọrita nke a mere na e nwere out abụọ maka odide mkpụrụ edemede Igbo. Enwere otu ndị na-edesa edesa ma nwekwa ndị otu ndị na-edekọ edekọ. Ụdị usoro edide a wee bụrụ nsogbu nye odide mkpụrụ okwu Igbo, nke na-ebutere Asụsụ Igbo nnukwu ihe ọgbata uhie. Ọ bụ n'ọtụtụ gara aga ka Oruchalụ bere arịrị banyere enweghi abụmotu na nsụpe mkpụrụ okwu n'akwụkwọ ọgụgụ ndị ode na-ede n'Asụsụ Igbo. O kwuru na ọtụtụ ụmụ akwụkwọ na-ele Igbo n'ule WAEC, na-anọ na nnukwu ọgbaaghara banyere e nweghi otu nsụpe n'akwụkwọ ọgụgụ ndị ha ji akwado ule a. Ma ọ bụ ihe ịta aka n'eze na ndị iche na nsụpe mkpụrụ okwu ka dịkwarị ma na-akawanye njọ. Ọgbaaghara a abụghị sọ ụmụakwụkwọ ka ọ na-emetụta kama ọ na-emetụta ndị

niile hụrụ Asụsụ Igbo n'anya nke gụnyere ụmụakwụkwọ ahụ kwa, ndị nkụzi, ndị nne na nna, ndị odee, ndị ụlọ ọrụ mbipụta, ndị na-ahụ maka ule dị iche iche malite n'ụlọ akwụkwọ praịmarị ruo mahadum na ọhanaeze. Ọ bụ ọnọdụ a kpaliri ọchọcha ileba anya n'isi okwu a bụNnweta Abụmotu n'odide Asụsụ Igbo. O metụrụ aka n'ebe dị iche iche a na-ahụta abụghị ndị a. Ọ tụnyekwara aro maka nnweta abụmotu a n'Asụsụ Igbo.

A na-enwe abụghị otu mgbe a na-ede okwu ndị na-ezipụta nge na ụbara. Ndị odee na-enwe nsogbu ebe a n'ihi na ha na-anọ n'ọgbaaghara ndesa na ndekọ mkpụrụ okwu ndị nọ na nge na ndị nọ n'ụbara. Ihe gbasara ndekọ na ndesa mkpụrụ okwu ekwebeghi ọtụtụ nghọta. Onye ọ bụla na-ede etu o siri masị ya mana ọ bụghị ihe o kwesiri ịbụ. O kwesiri ka ihe mmadụ niile na-ede bụrụ otu oge niile n'edemede ọ bụla. Lee ụfọdụ ịma atụ:

Bekee	Nge	Ụbara
Teacher	Onye nkụzi/ Onyenkụzi/Onye-nkụzi	Ndị nkụzi/Ndịnkụzi/Ndị-nkụzi
Artist	Onye ọkwa nka/ Onyeọkwanka/ Onye- ọkwanka	Ndị ọkwa nka/Ndịọkwanka/ Ndị-ọkwa -nka
Publisher	Onye mbipụta/ Onyembipụta/ Onye-mbipụta	Ndị mbipụta/Ndịmbipụta/ Ndị-mbipụta
Mechanic	Onye ọrụ ụgbọ ala/Onyeọrụụgbọala/ Onye-ọrụ-ụgbọ-ala	Ndị ọrụ ụgbọ ala/Ndịọrụụgbọala/ Ndị-ọrụ-ụgbọ-ala
Pupil	Nwa akwụkwọ/Nwaakwụkwọ Nwa-akwụkwọ	Ụmụ akwụkwọ/Ụmụakwụkwọ Ụmụ-akwụkwọ.

E lee anya n'odide mkpụrụ okwu ndị a mejupụtara nge na ụbara a ga-ahụta na odide ha gbasoro ụdị ụzọ atọ. Nke a na-egosipụta na ọ bụ ụdị ụzọ atọ ndị a ka ndị odee na-agbaso ede otu mkpụrụ okwu; na ha anaghị agbaso otu usoro ede ya. Nke a wee na-ebute abụghị otu n'odide mkpụrụ okwu ndị a. Ọchọcha na-eche na ihe kpatara ndị ụfọdụ ji ede ha etu ha si ede bụ na ndị na-ede ha ka otu mkpụrụ okwu chọrọ ịgbaso usoro bekee. Ma na ha kwesiri imata na asụsụ abụọ ndị a abụghị otu. N'ihi ya, ọ bụghị etu e si ede asụsụ bekee ka a ga-esikwa dee asụsụ Igbo. Ana m eche na ndị ọkacha n'asụsụ kwesiri ka ọgbakọ lebaa ya anya ka e nwee nkwekọrịta n'otu ụzọ a ga-esi na-ede ha.

Ebe ọzọ a na-enwe nsogbu odide abụghị otu bụ na mkpụrụ okwu ndị nwere mbawanye ụdaume. N'ebe a kwa odide ha na-abụkwa etu ọ masịrị onye. Ụfọdụ na-abawanye ebe ụfọdụ anaghị abawanye. A maghị usoro nke bụ nke ka mma. E nwee na-enwekwa abụghị otu n'odide ha. Ịma atụ: Nile – Niile; Ndewo – Ndeewo; N'ihi – Niihi; Mbụzọ - Mbuụzọ; Mazị - Maazị; Omenala – Omenaala; Ọdịnala - Ọdịnaala; Nanị - Naanị; Nwanyị - Nwaanyị; Ụnyahụ -Ụnyaahụ. Iwu nsụpe mkpụrụ okwu bụ na a na-asụpe okwu dị ka e si akpọpụta ya, naanị ma e nwere nkwekọrịta banyere nsụpe mkpụrụ okwu ahụ.

Ebe ọzọ abụghị otu na-ezipụta onwe ya n'odide mkpụrụ okwu Igbo bụ n'okwu mbite. Ọ dịghị asụsụ ọ bụla mkpụrụ okwu ya zuru oke. Asụsụ na-ebikọrịta mkpụrụ okwu. Asụsụ na-ebite okwu n'asụsụ ndị ọzọ dị ka Latin, Jaman, Spanishi naTọkishi. N'otu aka ahụ kwa ka asụsụ Igbo na-ebite na Bekee, Awụsa, Yoruba nakwa n'asụsụ ndị ọzọ kwa. Ọ bụ eziokwu na okwu ndị a e bitere ebite na-eme ka asụsụ na-etoeto mana o nwere nsogbu na-esi na ya adapụta nke bụ nsogbu odide ịbụ otu. N'ihi na okwu mbite ndị ahụ e nweghi aha ọdịnala atụgharịa ha n'okwu Igbo, mmadụ idezi ha n'otu ụdị abụrụzie nsogbu. Nke a bụ nnukwu ọgbatauhie nye odide Igbo.N'ihi na mgbe a na-asụpe ya n'Igbo, ụfọdụ na-etinye ụdaume iji mee ka o nwee ụda olu Igbo dịka Africa-Afrịka,Afịrịka; ball-bọl,bọlụ, bọọl, bọọlụ; class-klasị, klaasị, table-tebulu, tebul; school-sukulu, skul, skuul, sukulu; vote-voot, vootu; zone- zoon,zonu, zoonu; government-,gọmenti, gọvumenti, gọọmenti, gọvmenti; Trouser- tụrawụza, trọọza; slippers-silipas, slipasị; Senate-sinet, sineeti, sineti. N'ebe a e kwesiri inwe otu usoro a na-agbaso ede okwu mbite karịa onye ọ bụla ịdị na-ede ya etu o siri masị onye.

Etu e si asụpe aha mmadụ na-ezutekwa nsogbu abụghị otu n'odide aha Igbo.

N'odide aha Igbo n'otu aha, e nwee ụzọ abụọ ma ọ bụ karịa e si ede ya. Ịma atụ:

Nwafọ, nwaafọ, nwa afọ, nwa-afọ, nwaafor
Chinenye, Chinaenye, Chineenye, China-enye
Amaechi, Amechi, Ama-echi, Ameechi
Mgbeke, mgbọeke, Mgbeeke,
Nweeke, Nwa eke, Nweke, Nwa-eke
Nkiru, Nkeiru, Nkiiru,
Nwa-amaka, Nwaamaka, Nwamaka, Nwa amaka
Ụzọọma, Ụzọ-ọma, Ụzọma

Ụlọọma, Ụlọma, Ụlọ-ọma, Ụlọ ọma
Ndị iche, Ndịiche
Mkpụrụ okwu, Mkpụrụokwu, mkpụrụ-okwu
Elu-igwe, Elu igwe, Eluigwe
Okereeke, Okeeke, Okeke
Anene, Anaene, Ane-ene, Ana ene, Ana-ene.

Ewepụ aha mmadụ, e nwekwara okwu ndị ọzọ n'asụsụ Igbo usoro edide ha anaghị abụ otu n'agbanyeghi na ha bụ otu mkpụrụ okwu ma a na-ede ha n'ọtụtụ ụzọ dị ka ọ dị na mkpụrụ okwu ndị a:

Anya-mmiri, Anya mmiri, Anyammiri
Akaranta, Akara nta, Akara-nta
Ahụike, Ahụ-ike, Ahụ ike
Otenkwụ, Ote nkwụ, Ote-nkwụ
Mọọbụ, Ma ọ bụ, Maọbụ
Ọ-bụla, Ọ bụla, Ọbụla
Eze-mmụọ, Ezemmụọ, Eze mmụọ
Niile, Nile, Niihi, N'ihi

Odide abụghị otu juru eju bara abara n'asụsụ Igbo. E kwesiri inwe nkwekọrịta n'otu usoro mmadụ niile ga-eji na-ede mkpụrụ okwu ọ bụla tụmadị mkpụrụ okwu ndị bu 'ae', 'ọọ', 'oo', 'ụọ', 'aọ', 'eo', na ndị e ji akara uhie ejikọ, ndị a na-edesa edesa na ndị a na-edekọ ọnụ dị ka ndị a. Okwu ndesa bụ okwu ndị ahụ nwere nghọta zuru oke n'onwe ha ma ọ bụrụ na e desaa ha edesa ha kwuuru onwe ha. Ịma atụ ngwa, ọsọ, ewu, mmiri, ọkụ, yọrịị, nwayọ na ndị ọzọ. Dị ka okwu ndị a siri kwuuru onwe ha ebe a, ha nwere nghọta zuru oke. Ọ bụ ha ka e nwere ike idesa edesa dị ka ngwa ngwa, ọsọ ọsọ, nwayọ nwayọ, mmiri mmiri, ọkụ ọkụ, yọrịị yọrịị ma ndị e dekọrọ ọnụ dị ka ndị a, bụ ndị e nweghi nghọta ma ha kwuuru onwe ha. N'ihi nke a, a pụghị idebiri ha edebiri maka na ha agaghị enwe nghọta zuru oke. Ịma atụ: o bu ngwo, ọ dị gburu, nza ụkwụ, nsha mmiri na ndị ọzọ; ngwo, gburu, nza, na nsha ha enweghi ike ikwuuru onwe ha n'ime ahịrịokwu ndị ahụ ha nọ n'ime ha maka na ha enweghi nghọta zuru oke naanị ma e deruru ha n'isi tupu ezi nghọta ha apụta ihe, dị ka ọ dị n'ahịrịokwu ndị a: o bu ngwongwo; nzanza ụkwụ; nshansha mmiri; ọ dị gburugburu. Ọ bụ ụdị mkpụrụ okwu ndị a ka a na-edekọ ọnụ ma ọ bụ desaa edesa. E kwesiri inwe otu usoro ma ọ bụ ime ka mmadụ

niile mata mkpụrụ okwu ndị aga-edekọ ọnụ ma ọ bụ desaa edesa iji nweta abụmotu ghara inwe ndị iche ọ bụla n'usoro edide ha.

A na-ahụtakwa adighị n'otu a n'asụsụ Bekee n'ụda /ff/ /f/ /pf/ /gh/ /ph. A na-enweta mkpụrụokwu ndị a nwere "ff"- puff

- off
"f"- father
-friend
-fish
"pf"- Pfizer
"gh"- rough
-cough
-tough
"ph"- physics
-philosophy
-philo

N'otu aka ahụkwa ka e nwekwara nsogbu usoro edide abụghị otu n'asụsụ Yọrụba dị ka o si gbasaa ụda /p/ maka /kp/.Asụsụ ndị ọzọ gbara Yọrụba gburu na-eji /kp/egosipụta ụda /p/. Yọrụba na-eji ụda /kp/ ezipụta ụda /p/ mgbe ha na-ede mkpụrụokwu ndị a: Dukpe- Dupe, Iyana Kpaja- Iyana Paja, Adukpe- Adupe. Ha ga-akpọpụta ha n'ọnụ ma ha agaghị ede ha etu ha siri kpọpụta ya. Nke a gosiri na asụsụ niile, n'agbanyeghi olu ọ bụ nwere nsogbu abụghị otu n'odide nke chọrọ nkwekọrịta n'otu usoro nsụpe, tupu e nwee ịdịnotu n'odide. Ebe ọzọ a na-ahụtakwa abụghị otu n'odide na nsụpe bụ na taam niile metụtara ọbara (kinship). A na-edekọta ha ọnụ dị ka e siri depụta ha n'ọkaasụsụ Igbo (1984). Ha bụ nnamochie, nwadịala, nwaada, nwanne, nwanna, ụmụnna, ụmụnne, ụmụaka, oriakụ ma ụfọdụ na-ede ha etu a: nnam ochie, nwadị ala, nwa ada, nwa nne, nwa nna, ụmụ nna, ụmụ nne, ụmụ aka. Ụfọdụ na-ede nnamochie etu a: nna m ochie, nna-m ochie, oriakụ abụrụ ori- akụ, ori akụ. Dịka ndị ọzọ kwa e kwesiri inwe otu usoro e kwekọrịtara a ga-agbasoro na-ede mkpụrụ okwu Igbo.

Ndị ọzọ kwa bụ akaọrụ ndị e ji mara onye- dịka dinta, diji, dimkpa, dimgba, diọka, diochi.Mana ụfọdụ na-edesa ha ma ọ bụ tinye ha akara uhie, nke mekwara na e nweghi otu

usoro n'odide ha dịka:

di ji,	di- ji
di mkpa,	di- mkpa;
di mgba,	di- mgba;
di ọka	di- ọka
di ochi	di- ochi

Naanị ihe usoro abụghị otu n'odide na na nsụpe niile ndị a chọrọ bụ inwe nkwekọrịta na usoro odide na nsụpe nke ọha na eze, ndị nkụzi, ụmụ akwụkwọ ndị ode, ndị gọvment na ndị nhazi kọrịkulum ga na-eji ede ihe ka usoro edide na nsụpe mmadụ niile bụrụ otu.

Ihe ndapụta sitere n'abụghị n'otu nke usoro odide mkpụrụ okwu Igbo nyee nkụzi na odide mkpụrụ okwu Igbo.

Site n'etu onye ọ bụla na-agbaso ede edide mkpụrụ okwu Igbo, o mere na ọ dịghị onye maara nsụpe nke kacha mma iji ede Igbo. Nke a bụrụ nsogbu nye nkụzi. Ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ anaghị agbaso otu usoro ede mkpụrụ okwu Igbo. Onyenkụzi ọ bụla na-asụpe ihe o chere na ọ bụ ụzọ ka mma ịsụpe na ide mkpụrụ okwu Igbo. Abụghị otu a metụtara ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ nọ n'ụlọ dị elu dị iche iche n'ala Igbo. Nke a pụtara na usoro edide ndi UNN abụghị otu na nke ndị Nnamdi Azikiwe ma ọ bụ Uni Port, Ibadan, UniLag nakwa ndị nọ n'ụlọ akwụkwọ na-azụ ndị nkụzi. Nke a na-eme ndị ọ bụla ọ bụghị usoro nke ha ka a na-eji ede ihe na-ahụta ihe ndị ọzọ dere ka ihe e dejọrọ edejọ.

Ndị bọọd na-ahụ maka ule dị iche iche dị ka UTME, JAMB, WAEC, NECO,GCE na ule ndị junịọ SSCE na-eji usoro dị iche iche edepụta ajụjụ n'asụsụ Igbo. Nke a bụ maka ndị ndepụta ajụjụ ndị a ji usoro odide nke ha onwe ha depụta ajụjụ ndị a. Oge ruo mgbe a ga-atụcha ajụjụ ndị ahụ, e nwee ọtụtụ nghọtahie n'ihi na e nweghi otu ezigbo usoro edide nke e kwekọrịtara a na-agbaso. N'akụkụ nke ụmụ akwụkwọ, ha na-anọ n'ọgbaghara usoro edide ka mma ha ga-eji ede ule n'ihi na onye nkụzi ọ bụla nọ n'otu ụlọ akwụkwọ na-ede usoro ọ bụla ka ya mma ma ọ bụ kwere ya odide. Nke a na-eme ha inwe obi ịda mba n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

E nweghi otu usoro a na-emetụtakwa ndị mbipụta akwụkwọ n'ihi na ha onwe ha na-eji usoro edide nke kwere ha. Ọnọdụ a kwa na-emekwa ha obi ịda mba ịga

n'ihu ime ihe gbasara asụsụ Igbo. Nke a mekwara na a maghị akwụkwọ agụmagụ usoro edide ya ka mma ịgwa ụmụ akwụkwọ ka ha zụta, tụmadị etu o siri gbasaa ụtọasụsụ na agụmagụ litrechọ maka na odee ọ bụla nwere usoro edide nke ya nke abụghị usoro e nwere nkwekọrịka na ya. Nke a ga-eme ndị nkụzi ka ha ghara inwe mmasị n'ịgwa ụmụ akwụkwọ, akwụkwọ nke ha ga-azụta gụọ.

Ụzọ ọgịga n'ihu

Ụzọ iji gbochie abụghị n'otu n'odide asụsụ Igbo.

Nzụkọ**:** Ịdị na-enwe nzụkọ kwa afọ nke ga-agbasa ndị nkụzi Igbo niile n'agbanyeghi ogo nkụzi onyenkụzi ahụ nọ: n'ụlọ akwụkwọ praịmarị, ụlọ akwụkwọ sekọndịrị, mahadum, ndị isi ngalaba ha, ndị asụsụ Igbo na-amasị, ndị ode akwụkwọ Igbo nakwa ndị nhazi kọrịkulum n'Igbo. Ụdị nzụkọ a ga-abụ ịkpa ihe banyere nsụpe na odide mkpụrụ okwu Igbo. Ihe mgbado ukwu ga-abụ etu a ga-esi ekwekọrịta inweta abụmotu n'usoro odide mkpụrụ okwu Igbo nke ga-abụkwa otu ụdị n'ala Igbo niile, nke mmadụ ọ bụla bụ onye Igbo ga na-eji ede Igbo ruo steeti niile ebe a na-agụ, asụ ma na-edekwa asụsụ Igbo. Usoro a ga-abụ usoro mmadụ niile kwekọrịtara na a ga na-eji ede asụsụ Igbo. N'otu aka ahụ ka ndị kọmitti na-ahazi ma na-ekpokọta ihe ndị ekwekọrịtara na nzụkọ ga-achịkọta nkwekọrịta niile ma bipụta ihe niile e kwekọrịtara ma debezie ha nke ọma maka ndị ga-achọ ha. Ndị bọd na-ahụ maka ule dị iche iche ga-abịakwa nzụkọ ahụ, ka ha nwee ihe ndomanya mgbe ha ga na-edepụta ajụjụ maka ule.

Ihe ọzọ bụ na ndị standaizeshọn kọmitti ga na-achịkọwa nzụkọ oge niile ma kewakwa ha na zoon na zoon iji wulite mmụta na ndị nkụzi Igbo maka ihe agba ọhụụ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ọzọ bụ na ha ga na- aga njem nleta n'ụlọ akwụkwọ praịmarị na sekọndịrị ka a na-agba ha ume ma na-enyekwa ha ndụmọdụ banyere nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo iji hụ na e nwere otu usoro edide nwere ugwu dị elu.

N'ikpeazụ, e kwesiri iguzowe isi ụlọọrụ nlekọta ọmụmụ asụsụ Igbo na ihe gbasara nchọcha ebe ndị mmadụ ga na-abịa n'enweghi ihe mgbochi ijụta ase banyere ihe ọmụmụ Igbo, mgbe a ga-enwe ọgbakọ na nzụkọ nkụkọrịta echiche n'ọdịnihu nakwa semịna. Ụlọ nlekọta a ga-enwekwa ebe a na-ere akwụkwọ nakwa akwụkwọ nke a na-ebipụta mgbe niile ka ndị mmadụ zụrụ na-agụ. Mgbe ụbọchị

na-agakwa n'ihu, e nwere ike iguzowe kwa na zoon ndị ahụ niile ụlọ nlekọta isi ụlọọrụ ma tinyekwa mmadụ ole na ole ga na-ahụ maka ọganihu asụsụ Igbo n'ụlọọrụ ndị ahụ.

Mmechi

Iji mee ka asụsụ Igbo na-aga n'ihu ma na-etokwa nkamma, e kwesiri inwe usoro edide bụ otu. Ya ka Wolff (1954) jiri kwado na ịbụ otu mgbe niile pụtara na mkpụrụedemede ọ bụla ma ọ bụ nkwụgbata mkpụrụ edemede ọ bụla ga-eguzoriri maka otu ụda n'usoro asụsụ ọ bụla. Oruchalụ (1987) n'aka nke ya kwuru si 'ọ bụrụ na anyị asụpe ma dee nke ọma, anyị agụpụta nke ọma. Ya mere na a ga-eme ka ọgụụ niile na ndị niile hụrụ asụsụ Igbo n'anya sonye n'agbam mbọ niile ihu na e nwere abụmotu n'odide asụsụ Igbo. Ọ ga-enye aka na mwulite na nchekwawa ọmụmụ asụsụ Igbo n'oge a.

Nrụtụaka

Ejiobih, N. A. H. (2004). Nativization of the English Language: The gut to consolidation of development animashum, K. (ed) *Nigerian Journal of Gender and Development Abuja*. 5 (1)

Iloene, M. I. (2008). Writing systems (semiotics). In B. M. Mbah and E. E. Mbah (ed) *History* of linguistics and *communication*. A festschrift in honour of Prof. P. A. Nwachukwu.
Nsukka: 210-226.

Izuagie, M. A. (1991). Human resources in the teaching of and teaching in NigerianLanguage. In T.O Egbe (ed) *Teaching and learning in Nigerian Language* Lagos: Kola Okanlawon Publishers.

Federal Republic of Nigeria (2014) *National policy on education*. Lagos: NERDC Press.

Nwadike, I. U. (2005) .*Igbo Language in Education*:*A historical study*. Obosi: Pacific Publishers

Ọmeje, M. O. (2021). Mmetụta olundị Nsụka na nkụzi na ọmụmụ Asụsụ Igbo izugbe n'ụlọ akwụkwọ praịmarị n'okpuru ọchịchị Nsụka. *Ekwe Jọnal of Scholars Forum Nigeria* 14, (3) 96-105.

Oruchalụ, S. U. (1987). *Fundamentals of Igbo spelling.* Benin City: Festa Printing Press.

Ụba-Mgbemena, A. (2011). *Orthography*.*The Igbo example.*Lagos: Iroanụsị

Ude, U. F., Ezema, C., Ezema, H.C. (2019). Nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ime ntụgharị n'asụsụ Igbo n'ogo siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Etiti, Steeti Enugwu. *Ekwe Jọnal nke ndị Igbo Scholars Forum*, *Nigeria* 12 (2), 37-61.

Trask, R.I. (2007). *Language and linguistics*:*The key concepts*. Routledge: Psychology Press.

Williamson, K. (1984).*Practical orthography*. Ibadan: Heinemann.

Wolff, H. E. (1954). *Nigerian* orthography. Zaria: Gaskiya Corporation.